# ỌDỊDA NKE MMADỤ

**Jenesis 3:1-24**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 3 - Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Gini ka madu bu, na I nēcheta ya?" (Abù Ọma 8:4).**

**Udo Egbochiri**

Udo ahụ na ịmamma na mnwekọrịta ụtọ nke dị n'ubi Iden ahụ agbaraogige wee bụrụ ihe dị náánị nwa oge. Adam na Iv tụfuru izuòkè ha nwere n'oge náadịghị anya site ná nnupuisi n'ebe Nna ha nke Eluigwe nọ, bụ́ onye hụrụ ha n'anya chọ kwa imere ha náánị iheọma.

Chineke naabịakwute ndị a nke O kèrè náejégharị kwa n'etiti ha na mgbe ifufe naefé ka Ya na ha wee náakparịtaụka. Ọ naenwe kwa ọñụ nime nnọkọ nke Ya na ha na anọkọ. Ọ dịghị mmehie dị n'obi Adam na Iv bụ́ nke gaeme ka ha ghara inwe obiụtọ n'iru Chineke ahụ dị Nsọ. Lee ka o si dị ụtọ bụ́ ndụ nke ha biri nime ụwa n'oge ahụ!

Ma n'otù ụbọchị ekwensu bịara otùaka ahụ. Ihe naadị ya mma bụ iweta ọgbaaghara. Ọlụ ya bụ iduhie ụmụmmadụ, na ịchọ imebi Alaeze nke Kriast. N'oge niile nke akụkọ mmadụ n'ụwa anyị gaahụ na mgbe ọ bụla Chineke malitere ịlụọlụ nke ịgọzi ndị Ya, ekwensu naabịa ịnwa ịchọ igbochi ya. Chineke bụ́ ike kachasị ike niile, O nwere ike ibibi ekwensu gbochie kwa ya rue mgbe ebighịebi, kama o rubeghị oge nke a gaeme. Jisọs kpọrọ ya "onye-isi uwa nka" (Jọn 12:31), ma n'oge dị ugbu a enyere ya ike nke dị nwa oge. Otú ọ dị, n'ọgwụgwụ nke ihe niile Jisọs gaemeri ike niile nke ekwensu. "Ihe eji me ka Ọkpara Chineke puta ìhè bu nka, ka Ọ we la ọlụ nile nke Ekwensu n'iyi" (Jọn 3:8). Agaatụba ekwensu nime ọdọọkụ ahụ, n'ebe ahụ ka "agēmekpa kwa ya aru ehihie na abali rue mgbe nile ebigh-ebi" (Nkpughe 20:10).

Ngwangwa Chineke tinyere mmadụ nime ụwa ọma ahụ, ekwensu bịara imebi ha niile.

**Nrọrọ Onweonye**

Chineke chọrọ ka mmadụ fèè Ya, n'ihi na ọ bụ ọchịchọ mmadụ ifè Ya. Chineke gaekeworị Adam n'ụzọ nke gaeme ka ọbụrụ náánị ezi mmadụ, ka ọ ghara inwe ike ime ihe ọ bụla ọzọ ma ọ bụghị náánị itó Chineke. Kama Chineke chọrọ otuto nke náesiteghị ná mmanye nke sitekwara n'ezi obi ndịkom na ndịnyom pụta bụ́ ndị náerubeisi. Otú ọ dị O kèrè ha inwe uche nke nrọrọ, ime otú o si dị ha mma. Ha pụrụ ifè Chineke ma ọ bụrụ na ha chọrọ, maọbụ rapụ ma ọ bụrụ na ha achọghị ime nke a.

Ị ga náeche na Adam na Iv kwesịrị ịbụ ndị nwere obi ekele n'ebe Chineke nọ nke gaeme ka ha nwe ọñụ n'irubere Ya isi. Ewezuga kwa nke a, Chineke kwere mkwà inye ha ahụhụ ma ọ bụrụ na ha erubeghị isi.

Náánị otù ohere diri mmadụ imehie -- o wee were ya. Chineke nyere ha náánị otù iwu idebe: "Ma nkpuru nke sitere n'osisi nke ima ezi ihe na ihe ọjọ, gi erila nkpuru sitere na ya" (Jenesis 2:17).

**Obiabụọ ji Nwayọ Bata**

Ugbu a Ekwensu bịakwutere Iv n'ụdị nke agwọ, wee jụọ sị, "Ọ gābu ezie na Chineke siri, Unu erila nkpuru sitere n'osisi ọ bụla nke ubi a agbara ogige?" Baịbụl naagwa anyị na agwọ dị aghụghọ karịa anụ niile ọ bụla. O wee bụrụ nnọọ onye ekwensu chọrọ iji lụọọlụ. Ekwensu mara ihe Chineke náachọghị, ma ọ jụọ ajụjụ ahụ ka o wee tinye obiabụọ ntà nime Iv.

Iv mere ngwa ịzaghachi ya ajụjụ ahụ: "nkpuru nke osisi ahu nke di n'etiti ubi a agbara ogige, Chineke asiwo, unu erila nkpuru sitere na ya, unu emetukwala ya aka, ka unu we ghara inwu anwu." Nwanyi ahụ mara iwu Chineke, o nweghị kwa ngọpụ. Ọ makwara ahụhụ ọ gaje ịhụ n'ihi nnupụisi. Ọ gaarapụworị iguzo ịña ekwensu ntị.

Anyị nwere Baịbụl, ebe edere Okwu Chineke. Ọ bụrụ na ajụjụ dị n'obi anyị banyere uche Chineke, anyị gaachọta ụkpụrụ niile nke Chineke n'Akwụkwọ Ya ahụ bụ́ nke náewuli mmụọ. Ekwensu abịakwutewo ọtụtụ mmadụ dịka mmụọozi nke ìhè, wee duhie ha site n'ikwe ha mkwà dị icheiche nke inwe amamihe kachasị ukwuu, ike kachasị ukwuu, maọbụ ihe ha naechè na ọ bụ ịtụle ihe nke mmụọ; ha egewo ya ntị karịa ijidesi nguzo ha ike n'ebe eziokwu nke Okwu Chineke dị. Ka anyị jidesie Okwu Chineke dị ókéọnụ ike ghara ikwe ka mmadụ tinye obiabụọ nime anyị site n'ịju anyị ajụjụ sị, "Ọ̀ gābu ezie na Chineke siri?"

E, Chineke ekwuwo, Iv makwara na O kwuwo. Ekwensu agọnarịghị okwu ahụ niile nke bụ́ na Chineke kwuru, kama ọ sụ̀gharịrị okwu ahụ isi n'ihe ahụ Chineke kwuru. "Chineke mara na n'ụbọchị unu gēri nkpuru sitere na ya, mgbe ahụ ka agēmeghe anya-unu, unu ewe dị ka Chineke, nāma ezi ihe na ihe ọjọ."

**Eziihe na Iheọjọọ**

Rue n’oge ahụ Adam na Iv mara náání eziihe. Lee, ndụ ọñụ nke ha biri, mgbe ha náamaghị ihe ọ bụla bụ́ iheọjọọ! Gịnị gaeme ka ha chọọ ịmara ihe bụ́ ihe ọjọọ? Ekwensu kwuru eziokwu mgbe ọ sịrị na ha gaamata eziihe na iheọjọọ ahụ; ma urù gịnị ka nke ahụ gaabara ha? Ha gaewetara onwe ha náánị iruújú site n’inwe ụdị amamihe ahụ.

Chineke ekwuwo kwa sị, “N’ubọchi i gēri nkpuru sitere na ya i ghagh inwu anwu.” Ekwensu gọnarịrị Okwu Chineke, wee sị, “Ọ digh ọnwu unu nāghagh inwu.” Ụfọdụ pụrụ ikwu na Ekwensu kwukwara eziokwu, n’ihi na Adam na Iv anwụghị ọnwụ nke anaahụ́ anya n’ụbọchị ahụ. Kama ha nwụrụ nime mmụọ wee bụrụ ndị achụpụrụ n’ubi ahụ agbaraogige ebe ha na Chineke nwererị ezi mmekọrịta.

Gịnị bụ ọnwụ? Otù mgbe onye isi bịakutere Jisọs rịọ Ya ka ọ bịa kpọlite nwa ya nke nwụrụanwụ ka ọ dị ndụ ọzọ. Jisọs sịrị, “Nwa-agbọghọ nta ahụ anwugh anwu, kama ọ nararu ura” (Matiu 9:24). Dịka anyị naekwu ya, agasị na nwaagbọghọ ahụ nwụrụanwụ, ma Jisọs sịrị na ọ naararụ ụra. Onye ọ bụla nke gaarapụ ụwa nke a tupu Jisọs abịa gaabụworị onye nwụrụanwụ; ma OnyeKraist ma onye mmehie, ma n’ebe OnyeKraist nọ ọnwụ bụ̀ náání ịgafe baa ná ndu ka mma. Ọnwụ nke onye mmehie bụ̀ ahụhụ na mmekpaarụ rue mgbe ebighịebi.

Nnupụisi n’ebe Chineke nọ naeweta ọnwụ ebighịebi ahụ. Ọ bụrụ na Adam na Iv echègharịghị ha nwụrụọnwụ ebighịebi ahụ n’ihi na ha mehiere megide Chineke site n’ige agwọ ahụ ntị.

Ọ bụ̀ ezie na Adam na Iv anwụghị ọnwụ anaahụ́ anya n’ụbọchị ha mehiere megide Chineke, amamikpé nke mmehie dakwasịrị ha. Mmadụ gaadịworị ndụ rue ebighịebi, ma ugbu a Chineke sịrị ya, “Ájá ka ị bu, ọ bu kwa n’ájá ka ị gālata.”

**Nzọụkwụ rue Nzọụkwụ**

Ná nnupụisi nke Iv, ọ zọnyere otù nzọụkwụ otù mgbe. Nke mbụ ọ ñara Ekwensu ntị. Ọzọ o wee hụ na osisi ahụ dị mma ihe oriri na ọ bụ kwa ihe náagụ anya agụụ ile. Ekwensu gaabịa kwa ịnwa anyị otù aka ahụ; ọ bụrụ na anyị ege ya ntị, n’oge náadịghị anya anyị ganaele ihe ahụ anya nke ọ gaezi anyị, anyị wee chee na ha dị mma. Lezie anya! Elegidele ihe ahụ niile anya bụ́ nke ekwensu ji náanwa gị. N’oge náadịghị anya ị gaenwe agụụ ha, ma ọ bụrụ na ile ha anya.

Oge ụfọdụ ụmụokorọbịa na ụmụagbọghọ adịghị egentị na ndụmọdụ nke ndị nnenanna ha naenye ha, ma ọbụ nke ndịokenye bụ́ ndị mara ihe ọjọọ nke dị nime ihe ụfọdụ nke anaechè na ọ bụ iheụtọ nke dị n’ụwa. Ha naekwesi olu ha ike náachọsi kwa ike ịga n’ụzọ nke aka ha, náeche kwa na ha mara ihe karịa. N’ikpeazụ, ha ewe bụrụ ndị eji ike Ekwensu kee agbụ, ọ bụrụ kwa na ha echègharịghị, ha gaala n’iyi ebighịebi. Ekwenyela aghụghọ nke Ekwensu, ọ bụ ezie na ụfọdụ n’ihe ọ naekwu pụrụ ịbụ eziokwu. Site na iwere eziokwu ntà tigwa n’okwuụgha ya, o duhiewo ọtụtụ mmadụ ndị siri ike na okpukpé ha. Ọ dịghị ihe ọ gaekwu nke gaabụ maka ọdịmma gị. “Uzọ di nke ziri ezi n’iru madu, ma nsọtu ya bu uzọ nile nke ọnwu” (Ilu 14:12).

**Ikpéọ̀mụ́má**

Gịnị mere Adam na Iv ji zobe onweha na anyasị ahụ mgbe Chineke bịara ịkpanyere ha ụkà? Ekwensu emeworị ka iri mkpụrụ sitere n’osisi ahụ bụrụ ihe dị ka ọ dịghị amamikpé dị na ya. Ma ha emebiwo iwu Chineke, n’otù mgbe ahụ ha wee nwe amamikpé. Ha matara na ha emewo ihe ọjọọ.

Otù nnupụisi ahụ tinyere mmadụ niile amụrụ n’ụwa nime mmehie. Nwatakịrị ọ bụla amụrụ nime ụwa nwere mmehie nke o buru pụta ụwa (maọbụ mmehie nke Adam). Adam na Iv wee tụfue oyiyi nke Chineke nke ekèrè ha nime ya, site n’otù ndahie ahụ. Ị̀ hụwo otú otù mmehie si jọgbue onwe ya.

Mgbe Chineke kpọrọ Adam òkù, “Ole ebe ị nọ?” Adam zaghachiri na ya tụrụ egwù. Mmehie naeweta egwù. Ịhụn’anya zuruòkè naachụpụ egwù n’ezi (I Jọn 4:18). Ọ bụrụ na Adam nọgidesiri ike ná iji obi ya dum hụ́ Chineke náanya, ọ gaghị abụworị onye nupụrụisi. Anyị adịghị atụ Chineke egwù mgbe anyị naebi ndụ nke náatọ Ya ụtọ.

Chéé uche banyere óké egwù ahụ nke gaadị n’obi ndị mmehie mgbe ha gaeguzo n’iru Onyeikpé nke ụwa niile n’oge ikpé nke óké Ocheeze Ọcha ahụ!

Mgbe anwụdere Adam n’iheọjọọ nke o mere, ngwangwa o wee malite inye ihe ngọpụ. Iv, nwanyị nke Chineke nyere ya, nyere ya ihe oriri ahụ, o wee rie. N’ụzọ ọzọ Adam n’onweya naata Chineke ụta. Ọ bụrụ na Chineke ekèghị nwanyị ahụ, agaghị anwawo ya rịị. Ma nke ahụ bụ náánị ihe ngọpụ

N’otùaka ahụ, ọbụbụọnụ dakwasịrị ihe niile ekèrèèkè, site na mmehie nke Adam. Agwọ ahụ nke bụ́ ihe Ekwensu mere ka ọ bụrụ ngwaọlụ, ka abụkwara ọnụ karịa anụmanụ niile ọzọ. Mmadụ na Ekwensu wee bụrụ, ndị iro náenweghị ọgwụgwụ site na mgbe ahụ gaa n’iru. Ogwu na uké ewee tolite ịkpagbu osisi ahụ nke ganaamịpụta ihe oriri. N’ihi nke a Adam gaalụsiọlụ ike ka o wee lụpụta ihe ọ gaeri: “N’ọsusọ iru-gi ka igēri nri.”

**Onye Mgbapụta Ahụ**

Ọ dị ka ihe niile efuwo. Ịmamma ahụ na mkwekọrịta ụtọ nke ụwa na ndị niile bi nime ya ka ekpugharịrịiru. Pọl Onyeozi naagwa anyị sị, “Ayi matara na ihe ekèrè èkè nile nāsukọ udè, ime nēmekọ kwa ha, rue ugbu a” (Ndi Rom 8:22). Ihe ekèrèèkè niile ahụjuwo anya n’ihi na mmadụ mehiere.

Otú ọ dị ebere nke Chineke dị kwa náechere ha. Mmadụ ekwesịghị imere ebere, ma Chineke, n’ịhụn’anya Ya, meere ya ebere. O kwere mkwà na Onyemgbapụta gaabịa onye gaechipịa isi nke agwọ ahụ. Nke bụ amụma mbụ banyere ọbịbịa nke Jisọs, onye ọ gaabụ site n’ọnwụ Ya ka agaazọpụta anyị niile.

**Mwusa Nke Ọbara Ahụ**

Adam na Iv nwara iwere ahịhịa nke osisi fig kpuchi ọtọ na ihere ha, ma ugbu a Chineke gburu anụ ụfọdụ were akpụkpọ ya meere ha ihe mkpuchi. Otú a ka esi wụsa ọbara n’ihi mmehie mbụ nke emehiere. Iwu nke Chineke bụ, “ọ buru kwa na nwusi ọbara adịgh ngbaghara nmehie adigh” (Ndi Hibru 9:22). Anụ niile nke anaegbu n’oge ịchụàjà náakụkọ niile nke Agba Ochie bụ ụdị, maọbụ onyinye, nke Jisọs Onye gaje ịbịa otù ụbọchị ịnwụọnwụ n’elu Obe -- “Nwa aturu Chineke, Nke nēbupu nmehie nke uwa!” (Jọn 1:29).

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị bụ otù iwu ahụ nke Chineke nyere Adam na Iv?
2. Òlee onye ekwensu buru ụzọ nwaa?
3. Gịnị bụ ajụjụ ọ jụrụ?
4. Gịnị bụ ahụhụ nke Chineke kwuru na Ọ gaenye onye naenupụisi?
5. Gịnị ka ekwensu kwuru banyere ahụhụ ahụ?
6. Gịnị ka Iv mere mgbe o richara mkpụrụ ahụ?
7. Òlee ihe Adam na Iv mere mgbe Chineke bịara ịkpanyere ha ụka? N’ihi gịnị?
8. Òlee ihe mmehie nke Adam na Iv kpatara?
9. Ònye, na gịnị ka mmehie nke Adam mekpara arụ?
10. Gịnị bụ mkwà nke Onyemgbapụta ahụ?